# MMIRIÒZÙZÒ MBỤ NA MMIRIÒZÙZÒ IKPÈÀZỤ́

## Joel 2:21-32; Ọlu Ndi-ozi 1:1-47

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 66 - Nke Ndietiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ gēru kwa na mgbe ikpe-azú, ka Chineke kwuru, M'gāwusa ufọdu nime Mọm n'aru anu-aru nile, bú madu" (Ọlu Ndi-ozi 2:17).**

### Ekwere Mkwà Óké Ọñụ

"Atula egwù, gi ala, te egwù ọñu, ñuri kwa." Mgbe Joel dere okwu ndịa náánị ihe ntà ka Ụmụ Israel na añụrịọñụ na ya. Ha esiwo n'ebe Chineke nọ wezuga onweha, wee rapụ kwa ezi òfùfè ahụ, ikpé Ya abịakwasịwo kwa ha. Ndị Babilọn alụtawo ala Israel n'agha wee mee ka ha bụrụ ndị orù. Ihe ọkụ̀kụ̀ ha akpọnwụwo kwa, ihe nripịa eripịawo kwa ndị ntà tolitere. Ma Joel bụ onye amụma nke Chineke; site kwa n'aka ya ka Chineke naakpọsa banyere otù oge ọhụụ, nke àkụ̀ na udo gaabịaghachị kwa ọzọ.

Chee échìchè banyere ụdị mgbanwe nke gaadị n'ala ahụ. Chineke gaje izite mmiriòzùzò, osisi fig nke kpọnwụworo akpọnwụ gaamị kwa mkpụrụ ọzọ; osisi vine gaamị kwa mkpụrụ ọzọ -- ọ gaadị ukwuu riinne nke na ebe ịnara manya vine na mmanụ gaerubiga kwa ókè. Chineke gaje ịkwụghachi kwa ndị ahụ ihe niile ọbụbụ na palmer-worm riworo. Ihe ndịa niile ekwesịghị ka añụrịa ọñụ maka ha?

### Ọkpụkpọnkụ̀ Nke Oge Ugbu a

Náánị arọ olenaole garaaga n'ala anyị ka anyị hụrụ ihe mere mgbe Chineke gbochiri mmiriòzùzò. Ebe niile jupụtara n'uzuzu, mkpụrụ nke ala lakwara n'iyi. Ụmụmmadụ ghọrọ ndị náenweghị inyeaka ọzọ ha wee rapụ ọlụ ubi ha nke náapụghị inye kwa ha ihe oriri. Ndị isiọchịchị gbalịrị ike ha iweta mmiri n'akụkụ obodo ahụ, ọ dịghị ihe ha lụpụtara tutu rue mgbe Chineke nyeghachirị mmiriòzùzò. Ugbu a anyị hụrụ ihe mere n'ebe ahụ nke jupụtara n'uzuzu. Mmiri ezowo, nju aka mkpụrụ ọghịgha ntà emewo ka ndị ahụ nwee àkụ̀. Otù obodo ka emere ka anyị mara na ha nwere àkụ̀ karịa ndịọzọ, n'otù arọ, nime akụ̀kụ̀ obodo niile nke ala Amerika. Nke a gosịrị anyị ihe mere mgbe ahụ Chineke gbochiri ka mmiri ghara izo, na ọ dị kwa n'aka Ya iweta ọ gan'iru nye ala ọ bụla.

### Mmiriòzùzò Mbụ Na Mmiriòzùzò Ikpéazụ̀ Nke Anaahụ́ Anya

Chee échìchè ụdị nchebe siriike gaadị nime obi Joel mgbe ọ naagwa ndị ahụ banyere ọñụ nke chere ha iru! O kweere n'okwu Chineke, wee náañụrị kwa ọñụ n'okwukwe.

Ná mmalite akụ̀kọ nke ndị Ju anaenwe mmiriòzùzò mbụ nke náezo n'oge ịgha mkpụrụ. Ọ dị kwa mmiriòzùzò ụfọdụ anaenwe n'oge ụgụrụ; mgbe ahụ, tupu owuweiheubi, ihe dị ka abalị mbụ n'ọnwa anọ n'arọ (April), óké mmiriòzùzò náezo. Nke a ka anaakpọ mmiriòzùzò ikpéazụ̀, nke náakwadobe mkpụrụ maka owuweiheubi. Ma n'ihi ajọomume nke ụmụ Israel, mmiri naezo ntakịrị rue ọtụtụ arọ. Ugbu a mkwà ahụ bụ́ na mmiriòzùzò ahụ gaje izo ọzọ wee weta ndụ ọhụụ n'ala ha. Lee otú nke a gaesi mee ka obi tọọ ha ụtọ!

### Mmiriòzùzò Nke Imemmụọ

Joel na ekwuokwu banyere ụdị mmiriòzùzò ọzọ, kwa. Ndị ahụ enweghị ọñụ, n'ihi na ha arapụwo Chineke, ma mgbe agaawụsa Mmụọ nke Chineke obi ndị ahụ nátara ya gaabụ̀abụ̀ nke otuto. Ọ gaadịrị mmadụ niile, ọ bụghị náánị nye ndị nchụ̀àjà ndị nọchiri anya Chineke n'ebe mmadụ nọ na mmadụ n'ebe Chineke nọ. Mkwà ahụ bụ̀: "M'gāwusa mọm n'aru anu-aru nile, bú madu; umu-unu ndikom na umu unu ndinyom gēbu kwa amuma, ndi okenye-unu gārọ nrọ̀, umu-okorọbia unu gāhu ọhù; e, ọbuná n'aru ndi-orù ndikom na n'aru ndinyom nēje ozi ka M'gāwusa Mom mgbe ahu."

Lee otú obi Joel ganaamali elu mgbe ọ naéchè échìchè banyere ngọzi ahụ dị ukwuu nke agaawụsara umummadụ! Onye ọ bụla, okenye na nwanta, ọgaranya na ogbenye, nwoke na nwanyị gaenwe ohere iketa òkè ná ngọzi a dị ukwuu. Mmụọ Nsọ, nke dị ebube bụ́ nke Pita gwara anyị na ọbụná ndị mmụọozi nwara inyocha ha. (I Pita 1:12).

### Òzízí Nke Jisọs Banyere Mmụọ Nsọ Ahụ

Ọtụtụ arọ agasịwo mgbe Joel kọsịrị akụkọ ọñụ ya, ndị ahụ ka naebi kwa n'ala kpọrọnkụ̀, awụkwasịbeghị kwa Mmụọ nke Chineke n'arụ ha. Emesịa, otù ụbọchị ọñụ amụrụ Jisọs na Betlehem, obi ụmụmmadụ wee ná añụrịọñụ n'òzízí Ya. Ọ gwara ndị náesoụzọ Ya na Alaeze Ya abụghị nke ụwa. Ọ pụghị kwa ịnọ n'etiti ha wee nọ kwa n'ebe niile ná anụarụ Ya, ma mgbe Ọ lasịrị n'Eluigwe Ọ gaezitere ha Onye nkasiobi ọzọ, onye Ọ kpọrọ Mmụọ nke Eziokwu. Ọ gaanọnye kwara ha (onye ọ bụla n'otù n'otù) rue mgbe ebighịebi. Ọ gaabụ onyeòzízí ha, wee náechetara ha ihe niile Jisọs gwaworo ha rịị.

### Pentikọst

Mgbe oge ruru ka ewelie Jisọs gaa n'Eluigwe, mgbe Ya na ndị náesoụzọ Ya guzoro n'Ugwu Olive, Ọ gwara ha ka ha laghachi na Jerusalem wee chere Mkwà nke Nna, bụ́ ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Ihe dị ka otù narị mmadụ

na iri abụọ rubere Ya isi. Ha niile wee chere n’ụlọ elu ahụ, ná ekpesi ekpere ike ha niile nọ kwa n’otù olu na n’otù obi, rue mgbe ha natara ọzịzá. N’ụbọchị Pentikọst ụzụ dịka nke óké ifufe wee jupụta ụlọ ahụ ebe ha zukọtara, mmụọ nke Chineke wee dakwasị n’isi onye ọ bụla nime ha. Ha niile wee kwueokwu n’asụsụ ọhụụ dị icheiche nke ha náamaghị.

Nime obodo na mgbe ahụ ka ọtụtụ mmadụ gbakọrọ ndị sitere n’akụkụ niile nke Palestine ndị bịara na Jerusalem ime ememe nke Pentikọst, ha wee nụ ka ndị náesoụzọ Ya naekwuokwu n’asụsụ dị icheiche nke Ndị Mbaọzọ. O juru ha anya na ndị ogbenye dị otú a, ndị náamụtaghị akwụkwọ nke ọlụ ha bụ kwa ọkụazụ dịka ọtụtụ nime ndị náesoụzọ Ya bụ, nwereike ikwuokwu n’asụsụ ọzọ. Ma ọ bụ Mmụọ nke Chineke naekwuokwu nime ha. Nke ahụ bụ ihe ngosi pụtara ìhè na awụkwasiwo ha Mmụọ Nsọ. Ihe karịrị nke ahụ mere n’otù oge ahụ: ha natara ike nke ịbụ ndị àmà! Jisọs ekwuwo, “Ma unu gābu kwa ndi-àmàm nime Jerusalem, na nime Judia na Sameria nile, ru kwa ebe uwa sọturu” (Ọlu Ndi-ozi 1:8). Mmụọ Nsọ ahụ abịakwasịghị ha ka ha were Ya mee ihe gaatọ ha onweha ụtọ kama ka ha wee bụrụ ndị àmà. Agọziri ha ka ha wee bụrụ kwa ngọzi.

### Ịgbàamà Nke Pita

Otù Pita ọhụụ naeguzo n’iru ndị ahụ ụgbu a. Mgbe anaachọ ikpọgide Kraist n’obe, ihere mere Pita na ọ mara Ya. Mgbe Mmụọozi ahụ gwara ya na Jisọs esiwo n’ọnwụ bilie, o juru ya anya wee sie kwara ya ike ikwere nke a. Ma ugbu a ọ natawo ike, egwù atụghị kwa ya iguzo n’iru ndị Ju náekwugide ha otú ha si gbue Ọkpara Chineke dị nsọ. Ọ gwara ha na ndị náesoụzọ Ya añụghị manya ọ bụla, dịka ụfọdụ ha naechè, kama na ha natara Mmụọ Nsọ ahụ nke ebuworo amụma banyere ya ọtụtụ narị arọ garaaga. Joel ekwuwo sị, “Ñuria,” Ọ naesiri ndị ahụ nke natara ike ahụ ike ijide ọñụ ha. O jupụtara nime ha wee náasụpụta. Pita adịghị eme kwa ihere banyere Kraist ahụ Onye ọ gọnarịrị otù mgbe. Ugbò abụọ nime amụma nke Joel ka Chineke sịrị, “Ihere agagh-eme kwa ndim.” Mgbe mmụọ nke Chineke dị nime anyị, anyị adịghị ala àzụ́ ịgwá ndị mmadụ banyere Jisọs Onye nke zọpụtara obi anyị wee mee ka anyị náebi ndụ karịa mmehie.

Mgbe Mmụọ nke Chineke dị n’arụ ndị Ya, Mmụọ ahụ naekwuokwu nke amamikpé n’obi ndị náenwebeghị nzọpụta. Puku mmadụ atọ ndị nụrụ okwu Pita n’ụbọchị Pentikọst kwere wee jụọ ihe ha gaeme ka ewee zọpụta ha. Ha kwere ihe niile Pita kwuru, wee rube kwa isi n’òzízí ya, ha ñụrịkwara ọñụ ná mwusa nke Mmụọ Chineke.

Ụfọdụ mmadụ naekwere na awụpụrụ ọwụwụmmiri ahụ n’Ụbọchị Pentikọst náánị ka ewee tọọ ntọala Nzukọ Kraist na ọ dịghị kwa mkpà ka onye ọ bụla nata ya. Ma nke ahụ abụghị òzízí nke Pita maọbụ Pọl. Mgbe ọtụtụ arọ gasịrị site n’ụbọchị Pentikọst anyị hụrụ na Pita gara ileta èzínaụlọ Kọniliọs, onye mbaọzọ, ya onweya, natakwara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ. Amụma ahụ bụ nye **anụarụ niile. “**N’ihi na nime otù Mọ Nsọ ka emere ayi onwe-ayi nile baptizim iba n’otù aru, ma ayi bu ndi-Ju ma-ọbu ndi Grik, ma ayi bụ ndi-orù ma-ọbu ndi nwere onwe-ha; emekwara ka ayi nile ñua nime otù Mọ Nsọ” (I Ndi Kọrint 12:13). Mgbe nke a gasịrị, mgbe Pọl nọ na Kọrint, mmadụ iri na abụọ natara ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ (Ọlu Ndi-ozi 19).

Nke a bụ Mmiriòzùzò Mbụ ahụ. Joel kwukwara okwu banyere Mmiriòzụzò Ikpeazụ̀ nke gaezo n’ọnwa mbụ (n’ọnwa April dịka ọnwa nke ndị Ju si dị). Pita kwuru na mkwà ahụ dịrị ndị ahụ n’ụbọchị Pentikọst, na kwa “umu-unu, na ndi nile nọ n’ebe di anya, ka ha ra, bú ndi Onye-nwe-ayi Chineke ayi gākpọtara Onwe-ya” (Ọlu Ndi-ozi 2:39). Ọ dị oge gaje ịbịa, mgbe ahụ “n’ebe nile,” ka agaawụsa mmiriòzùzò ikpeazụ̀ ahụ.

Nzukọ ahụ gafere Oge Ọchịchịrị, n’ọtụtụ arọ náánị ntakịrị mmiriòzùzò nke imemmụọ zoro n’eluụwa. Ọ dịghị kwa mmiriòzùzò nke anaahụ́anya náezo na Palestine. Ọtụtụ ebe n’ala ahụ ghọrọ ọzara.

### Mmiri Zoro Na Palestine

Nime arọ 1900, mmiri malitere izò N’ala Nsọ ahụ. Ọ̀ dị mfé na ọzara gaamị mkpụrụ ọzọ? N’oge ahụ nke Mmiriòzùzò Ikpeazụ̀ nke imemmụọ zoro na 1906, mmiriòzùzò nke anaahụ́anya naezosiike na Palestine, ala ha wee náamịpụta mkpụrụ dị mma. Ihe omume nke ala ahụ mepụtara enwetawo onyinye dị icheiche site n’ọtụtụ ọdọahịa anyị nke ihengosi nke ụwa.

Agụụ mmiri na agụsi ala kpọrọnkụ̀ nke Palestine ike; otú a kwa ka NdịKraist n’arọ nari iri na iteghete garaaga nwere agụụ nke mmụọ nke Chineke.

### Ntụte Nke Imemmụọ

Matin Luta amụtaworị eziokwu ahụ na “Onye ezi-omume ga-esite n’okwukwe di ndu.” Ọ rapụwo inye onweya ahụhụ n’ihi mmehie ya, o wee site n’inwe ezi nchègharị n’iru Chineke, bụrụ onye agụrụ n’onye eziomume. Náagbanyeghị ọtụtụ mkpagbu o nwere, ọ nọgidere n’ikwesị ntụkwasịobi nye ọkpụkpọòkù nke Chineke, wee bụrụ onye bu ụzọ malite mwulite elu nke okpukpé Chineke

Emesịa Jọn Wesli ghọtara na òzízí nke Odudonsọ dịrị ụmụmmadụ taa, dịka Jisọs kpere ekpere: “Were ezi-okwu do ha nsọ: … Ọ bụgh kwa nání ndia ka M’nēkpe ekpere banyere ha, kama anam ekpe kwa ekpere banyere ndi kwere na Mu site n’okwu-ha” (Jọn 17:17-20). Odudonsọ ka akpọkwara ịdịnsọ. Ọtụtụ mmadụ nabatara òzízí Wesli; mgbe agbaghasịrị mmehie ha site n’ịgụ ha na ndị eziomume, ha chọrọ odudonsọ, ewee wepụ mmadụ ochie ahụ. Mgbe Adam mehiere N’ogige Iden o wetara ndụ nke mmehie n’ebe mmadụ niile nọ. Anyị apụghị inyere onweanyị

aka ịrapụ ịbụ ndị amụrụ dịka ụkpụrụ Adam si dị, ma anyị pụrụ inwere onweanyị pụọ nime ya site n'odudonsọ, ọlụ amara nke abụọ nke alụrụ site n'Ọbara. Mgbe ahụ obi ahụ ewee bụrụ ihe dị ọcha nke ejikere ịnata Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ.

**Obi Niile Agụụ Naagụ**

Ọ dị ọtụtụ mmadụ n'ụwa tupu 1906 ndị obi ha bụ iheọlụ asachara nkeọma, ha naekpesi ekpere ike ka Chineke zite Mmụọ Nsọ wee wụọ ha mmiri. Obi ha dị ka ala kpọrọnkụ̀ nke mkpụrụ akụworo nime ya naechere mmiriòzùzò ka o wee nwee ike too.

Igwè mmadụ ụfọdụ gbakọrọ site ná nzukọ dị icheiche n'akụkụ niile nke ala ahụ ikpe ikpere n'ihi Mmiriòzùzò nke Ikpeazụ̀ ahụ. Nzukọ ahụ n'otù n'otù nke ọ bụla naechè na ọ bụ ha gaanata Mkwà ahụ, ma ọ gaghị abịakwasị otù nzukọ pụrụ iche. Ọ bụ n'obi ndị ahụ dị ọcha ndị asachakwara ka awụkwasịrị Mmụọ Nsọ ahụ.

**Mmiriòzùzò Ikpeazụ̀ Ahụ**

N'ọnwa anọ bú April 9, 1906, ọnwa mbụ dịka usoro ịgụ ọnwa n'okpukpé ndị Ju si dị, dịka Joel buworo ya n'amụma, Mmụọ Nsọ ahụ bịakwasịrị ndị ahụ dị umeala n'obi ndị zukọrọ náachọsi Onyenweanyị ike nime ụlọ ntà nke dị na Bonnie Brae street, Los Angeles. Ndị mmadụ natara ọwụwụmmiri ahụ dịka ọ dị n'Ụbọchị Pentikọst, wee kwueokwu n'asụsụ ọzọ dịka Mmụọ Nsọ ahụ naenye ha ike. Ha ñụrịrịọñụ n'ihi na agụrụ ha na ndị kwesịrị ịnata onyinye a nke si N'elu! Otuto nke jupụtara obi ha naerugharị. N'oge náadịghị anya anatakwara ozi site n'obodo ọzọ dị icheiche na Mmụọ Nsọ ahụ abịakwasiwo kwa ndị edoro nsọ n'ebe ahụ. N'eziokwu ala ahụ ga añụrịọñụ, na Chineke ezosawo ha Mmiriòzùzò Ikpeazụ̀ ahụ.

**Asụsụ Ụgha Dị Icheiche**

Ọtụtụ mmadụ n'ụbọchị taa naasị na ha naekwuokwu n'asụsụ dị icheiche, ma ha enweghịike ibi ndụ dị ọcha, ka ọfọdụzie ịbụ ndị àmà nke Oziọma Jisọs Kraist. Setan ezitewo nduhie n'eluụwa, ọtụtụ mmadụ wee náekwere ụgha náanata kwa ọwụwụmmiri ụgha n'ihi na ha achọghị ikpughe mmehie nke dị nime ndụ ha.

Mmụọ Nsọ ahụ, Nduru dị nwayọ nke apụrụ ime ihe gaewute ya ọsọsọ, agaghị abata n'ihe náadịghị ọcha. Ọ naeme ebe obibi Ya náánị n'obi edoro nsọ zuruòkè.

**Obi Edoronsọ**

Ihe karịrị iri arọ anọ ka Mmiriòzùzò ahụ ka naezò kwa. Ebe ọ bụla Chineke hụrụ obi edoronsọ na nke náeji obi ya chụọàjà nke agụụ Mmụọ Nsọ ahụ naagụsiike, O zitewo Onye nkasiobi ahụ ịnọnyere ya. Mmụọ ahụ naejikere Nwunye Ọhụụ nke Ọkpara Chineke Onye gaabịa na mgbe nso n'ihi ndị nke Ya. Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ bụ̀ uwe agbamakwụkwọ ahụ nke onye náenweghị ya agaghị eso N'oriri Agbamakwụkwọ nke Nwaatụrụ ahụ.

Mmụọ Nsọ ahụ, mmanụ nke Ọñụ, náenwu n'obi nke ndị bụ́ Nwunye Ọhụụ nke Kraist. Onye ọ bụla nke gaeji obi ya chụọ àjà pụrụ ịnata ngọzi ahụ si n'elu. "N'ihi na ala-eze Chineke abugh oriri na ọñuñu, kama ọ bu ezi-omume na udo na ọñu nime Mọ nsọ" (Ndi Rom 14:17).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ọnọdụ ndị Israel nọ n'oge nke Joel?
2. Òlee mkwà o kwere?
3. Òlee mgbe awụsara Mmụọ Nsọ nke mbụ, Gịnị ka akpọrọ mwụsa nke Mmụọ Nsọ ahụ?
4. Òlee mgbe awụsara Mmiriòzùzò nke Ikpeazụ̀ ahụ?
5. Òlee ndị tozuru ịnata ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ ahụ?
6. Onye bụ̀ Nwunye Ọhụụ nke Kraist?